# ASUSU IGBO

## ITINYE AKARA UDAOLU EBE OKWESIRI

Akara udaolu bụ akara edemede a na-akanye n'elu mkpụrụedemede ndị na-enwe ụda. Ha bụ ụdaume na myiri ụdaume. E nwere akara ụdaume atọ n 'asụsụ Igbo ha bu: a. Akara ụdaelu /

b. Akara ụdaala \
Ch. Akara ụdansuda _

Okwu ndị na-enwe akara ụdaelu bụ okwu ndi a na- eweli olu elu ma a na-akpọpụta ha dịka,
Éwú - goat
Élé - Antelope
Ịrị́ - to eat
Ékwé - wooden gong dgz.

Okwu ndị na enwe akara ụdaala bụ okwu ndi a na- eweda olu àlà mgbe a na-akpọpụta ha.
Imaatu:
Ùdù, ụ̀dọ̀, àjà, ènwẹ̀, dgz.

Ch. Okwu ndia na - enwe akara ụdansuda bụ okwu ndi ụda ha na-erughị élú ibu ụdaelu ma ha erughị àlà ibu ụdaala mgbe a na - a kpọpụta ha dịka. Égo, átụrụ, ngiga, éro. dgz. Mkpụrụokwu ụfọdụ nwere ụdaala na ụdaelu.,
Ùbé - pear
Ụ̀bá - wealth
Ìrí - ten
Àhụ́- body
Àkụ́- beat
Ntụ́- lie.

Okwu ụfọdụ nwere ụdaelu na ụdaala, lee ha:
Ígwè =bicycle
Óbì=heart
Ọ́kà =Maize
Úzúzù =sand
Úrù=gain
Ósè=pepper.

## UDAMGBANWE

Ụda mkpụrụokwu nwere mgbe ya na mkpụrụokwu ndị ọzọ kwụ n' ahiriokwu ka a na-akpọ udamgbanwe.
maatụ =ị́sị́+ọ̀kụ́kọ̀==ị́sị́ọkụ́kọ̀
Ányá+égbè = ányáégbe
**Ahịrịokwu**
Nrị́ dịn' ìté
Áhà m bụ̀Ámákà. dgz.

## ERIMEKPE NA NNỌCHIỌKWA

Ekpe bụ ihe onye nwụrụ anwụ hapụrụ were laa mmụọ. Ike ekpe bụ otu onye maọbụ mmadụ si kwuo ka ga esi kasa akụnụba ya ma ọ nwụọ. Mgbe ụfọdụ ọ bụghị sọ mgbe mmadụ dara na-ọrịa ka oji eke ekpe, mmadụ nwere ike ike ekpe mgbe ahụ sịrị ya ike.

## NDỊ A NA-EKERE EKPE

Nwa, ụmụnne, ụmụ.

Nwoke na-alụ ìgwè nwaanyi na- ekere ndị nwunye ya ekpe.

Ch. Nwoke na-alụ otu nwaanyị nwere ike keere ụmụ ya ekpe, ọkachasi ebe ọ nwere ụmụ na-enye nsogbu.

## Ihe Nwere Ike Ibute Ike Ekpe

Ọ bụrụ nwoke lụrụ ọtụtụ nwaanyị ma mụtakwa ọtụtụ ụmụ, o lee anya na akụnaụba ya ga-esere ha okwu ma ọ nwụọ, ọ keere ha ihe o nwere tupu ọnwụ abịa were ya.

Ọ bụrụ nwoke otu nwa ya anaghị elekota anya na ndụ, ọ na-eke ekpe iji bọọ ya ọbọ ihe ọ mere ya.

Nwoke nwere ọtụtụ nwaanyị ma nwee nke ọ hụrụ n'anya karịsịa, ọ na-agba mbọ kee ekpe na ndụ ka nwunye ya ahụ keta oké n' aka ya tupu ọ nwụọ.

## URU IKE EKPE BARA

Ọ na-eme ka mmadụ ghara imegbu ibe ya.

Ọ na-eme ka uche kụrụ mmadụ ọnụ mgbe ọ na anwụ.

ch. Ọ na-eweta udo

Ọ na-eme mmadụ ọgaranya.

## IRI EKPE NA INNỌCHIỌKWA

Ndị lgbo nwere ụzọ dị iche iche ha si eri ekpe ma nke jikọtara lgbo dum ọnụ bụ iri ekpe site n' aka nna. Ọ bụrụ na di nwe ọ nwụọ. Onye ga-anọchiọkwa ya maọbụ obi ya bụ dị ọkpara ya. N' ọtụtụ ebe n' ala lgbo bụ nwoke bụ ọdụdụ ga - ebichi ụlọ ebe nne ya bi tupu ọ nwụọ. E mechaa e kee ihe ndị ọzọ dịka ala, ego, osisi, ụmụ elulu. dgz.

## IHE DI ICHE NA-IRI EKPE NA IKE EKPE

Onye na-eke ekpe bu onye nwe ihe na-ekwu etu a ga-esi kee ihe ya na etui he ga-esi ga ma O buru na onwuo. Mana onye na-eri ekpe bu onye ya na onye nwuru anwu nwere uzo ha si metuta.

O bu onye di ndu na-eke ma na O bu mgbe mmadu nwuru ka aga-ekwu okwu iri ekpe ya.

Ch. Ike ekpe na-eme ka mkpuru obi onye na-anwu anwu noro n'udo ebe iri ekpe na-eme ka ndi di ndu nwee obianuri. Dgz.

## NDIICHE DI NA ERI MEKPE, NNOCHIOKWA NA NNOCHIONYEAKA MKPA

Erimekpe bu mmadu iri ihe onye ya na ya metutara nwuru anwụ. Ndi nwere ike iri ekpe bara uba na gunyere umu, nwunye, umunne na ikwu naibe ndị ọzọ.

Nnọchiọkwa bụ mmadụ innochi-okwa onye nwuru anwu ji mgbe o di ndu. O bu naani otu onye na-anochi okwa. Okwa mmadu nwere ike innochi; gunyere, okwa onyeisi obodo, okwa onye isi ezinaulo dgz.

Ihe di iche na-inochiokwa na erimekpe bụ na obu naani otu onye na-anochi okwa. Oge ufodu o bu onye nwụrụ anwụ na-ekwuputakwa onye ga-anochi okwa ya, oge ụfọdụ o bụrụ ndi di ndu ga-ekwu onye ga-anochi anya onye nwuru anwu.

Nnochionyeakamkpa: Onye akamkpa bu Onye mmadu na-ekwu ga-ahu maka ihe, ma achoo ya ahughi ya. Nke onye di ndu na-ekwu onye ga-abu onye akamkpa ya. Mmadu nwere ike iji nwunye ya, nwa ya, nwanne ya nwoke were mee onyeaka mkpa. O buru na onye bu onye akamkpa mmadu nwuo onye ahu ka odiri ichota onye ozo ga-aburu ya onye aka mkpa.

## AGỤMAGỤ - ASỤSỤ - NKA

### ỤKABỤILU

Ụkabụilu bụkwa nkenke akụkọ na-adị ka ilu ma ọ na-eto ogologo karịa ilu. E ji ya a kụziri mmadụ ihe ma jirikwa ya na adụ mmadụ ọdụ. N' ụkabụilu a na-eji ihe ndị doro mmadụ anya wee kụzie ihe na -edoghi mmadụ anya ka onye ahu were nwe ike site n'ihe ahụ doro ya anya mata maọbụ ghọta ihe ahụ edoghi ya anyam nke ọma.

**nwere ọtụtụ ụkabụilu n'akwụkwọ nsọ dịka:**

a. Nwa Efulefu Luke isi iri na ise.
b. Ndị odibo iri Luke isi iri na iteghete.
Ch. Atụrụ n' efu efu Luke isi iri na ise dgz.

**Uzo esi elekota gburugburu anyi gunyere**

Iku osisi ọhụrụ ebe egbuturu ndi ochie iji belata ala mbize

Izo ahihia ndi na-egbochi mbize ebe ndi ichee mmiri na-aga nke ukwu.

(ch) Idebe gburugburu anyi ọcha site na-iweputa ebe a na-ekpofu ahihia iji belata iwufu ahihia aghara aghara.

### URU DI NA-ILEKOTA GBURUGBURU ANYI

Ọ na-eme ka ndi mmadu nwee ahu ike

Ọ ga-enye aka ibeleta odachi ufodu na-adaputa site na idee mmiri, ala mbize, ala omajiji na ihe ndi ọzọ

Ch. Ọ ga-eme ka gomenti ghara imefu otutu ego iji nyere ndi odachi-dabi doro aka.

Ȁ□Ā□Ā□Ā□Ā□Ā□Ā□Ā□Ā□ĀĀȀ□Ā□Ā□Ā□Ā□Ā□Ā□Ā□Ọ ga-eme ka e nwee mmepe n’obodo dgz.

### ỌGHỌM DI NA-ELEKOTAGHI GBURU-GBURU ANYI ANYA

ńỌ na-eme ka ndi mmadu ria oria di iche iche
ńỌ na-eme ka e nwee odachi di iche-iche sitere n’ala mbize, ide mmiri, ala omajiji dgz.
ńỌ ga-eme ka goometi na-emefu otutu ego iji ruzie ụzọ na owa mmiri.
ńỌ ga-eme ka gometi mefue otutu ego iji nyere ndi odachi dabidoro aka dgz.

### EDEMEDE NKA

Edemede nka bu ihe mmadu ji echiche ya cheputa ma dee ya n’akwukwo.
E nwere udi edemede nka di iche iche – Ha bu:

Akụkọ
Ejije
(ch) Abu

**Akụkọ**: Edemede akụkọ bụ iko akụkọ nke nwere ike bụrụ ihe mere eme maobu ihe emeghi eme ndi a bu isiokwu ndi e nwere ike inye n’uhe ka edee: (a) uru igu akwụkwọ bara (b) ihe m ga-eme ma m buru onyeisi ala Nigeria. (ch) mmemme e nwere n’ogige ụlọakwụkwọ m n'afọ

**Ejije:** Nke a bukwa otu n’ime edemede nka. E nwekwara ike ikpo a edemede mkparitauka O nwere ihe ole na ole a ga-ebu n’uche gbasara edemede ejije ma obu mkparita uka. (a) A ga-enweriri ihe bu isiokwu a na-akpa maka ya na ndi na-akpa maka ya. (b) o na-abukari mmadu abuo na-akparitauka.

**IMA ATỤ:**

Mkparitaụka di n'etiti umuokorobia abụọ banyere onodu ọjọọ ha hụrụ enyi ha nwoke n'ụlọ ọgwụ.

Mkparitauka di n'etiti Nkechi na Ebere banyere ugwo akwukwo a na-akwu n'oge ugbua. Dgz.

**EDEMEDE ABU:** Edemede abu bukwa otu n'ime edemede nka. E nwere ike inye mmadu isiokwu ka onye ahu ehee n'udi abu. Ihe ndi nwereike ibu isiokwu abu bu ndia: (a) Ala anyi bu Nigeria (b) O lee ihe mmadu ketara n'uwa (ch) ochichi dgz.

## UBIAM NA AGUU

Nkọwa ihe bụ ụbịam na agụụ: Ihe aturu anya ụmụakwụkwọ ga-ekwu banyere ihe bu ụbịam na agụụ bụ. Ụbịam bụ enweghi ihe otu okwesiri. Ida ụbịam bụ mmadụ enweghi ihe otu okwesiri. O bụ mmadu enweghi ihe eji eme ka ndu too ogologo matokwa uto-Ubiam di n'udi n'udi. O nwere ubiam ka ibe ya njo. Ụbịam kacha njo bụ ụbịam onu ntu. Onye dara ubiam onu ntu ahughi tuturu rachaa. Onyedi otua enweghi ebe obibe ma o buru na o nwere o ga-adika ebe ana azu umu anumanu.

### IHE NA-EBUTE UBIAM NA AGUU

**Mmadu adighi ike oru**: Ufodu ndi mmadu anaghi agba mbo ihe ha ga-eji na-ele ndu anya kama ha anoro na-acho onye ga-enye ha.

**Oria**: Onye ahu esighi ike agaghi agba mbo otu o kwesiri tumadu o buru na oria yiwere ya n'akwa.

**Mmadu enweghi ebe mgbakwasi ukwu**: Mgbe ụfọdụ mmadụ nwere-ike inwe ezigbo echichi igba mbo ma o gaghi ahu egon o ga-eji malite ihe o choro ime.

4**. Onodu ezinaulo mmadu si puta**: Ezinaulo ufodu enweghi ka oha ha ma ncha nke na umuaka a muru n'ezinaulo ndia na-ahuju anya. Dgz.

## AGUMAGU NKA

Agumagu nka bu ihe mmadu sitere n'ichemi echiche echemi were cheputa ma jirikwa asusu nka deputa maobu kowaputa ya.

### IHE E JI AMATA AGUMAGU NKA

O ga-enweriri onye cheputara ya wee koo ma obu dee ya.

Agumagu nka ga-enweriri ihe gbara ọ kpụrụ eku Megara na ya.

ch. Agumagu nka na-aruturiri aka n'ihe gbasara ndu n'ime uwa anyi no nay a dika echichi, abamaba, ilu nwaanyi dgz.

### NGALABA ATO DI N'AGUMAGU NKA

**Akụkọ**: E nwere akuko ugbua na nke ọdịnala

**Egwuregwu/Ejije**: E nwere egwuregwu ugbua na nke odinaala.

**Abu**: E nwere abu ugbua na nke odinaala.

### ỤZỌ A GA-ESI KPOCHAPU ỤBỊAM NA Agụụ

Ikuziri ndi mmadu tumadu ndi nto robia uzo esi etinye uchu n oru.

Ime ka ndi mmadu mata n'oke oriri na onun u na-emeka mmadu daa Ubiam, aguu ewere bakwute Ya.

ch. Ndi mmadu imaatu n'onye ukwu kporo o daa ga-ejisi ike bilie buru n'uche na echi nwere ike ikara ya mma.

d. Ndi gomenti na ndi ochichi ihu na ndi ochichi ihu nan di ha na-achi nwere ahuike. Obu onye zuru oke n'ahuma n'ime mmuoga enwe ike igba mbo ijigbochie ubiam na aguu.

e. Ndi Ochichi ga-akwusi ibukono ego ha ga-eji ruo ulo oru, mepee obodo na ihe ndi ozo na maka nkea na ebute ubiam na aguu.

f. Igbadosi ukwu ike n’usoro gomenti weputara eji akuziri Umuakwukwo ihe nke ga-eme onye ka o bula guru akwukwo nwee ihe oga na-eme were na-enyere ndu aka.

g. Uzo ozo a ga-esi gbochi ubiam na aguu bu inye oru ugbo onodu kwesiri ya n’ala anyi. ugbo Oru di nnukwu makana o nweghi onye ga-adi ma orighi nri otutu ugbolo.

gh. Ikwado ndi guru akwukwo na ndi muru oru aka ndi enweghi ego ha ga-eji malite ichowa uzo onwe ha site na-inye ha ego mgbazinye ma o bu ngwa oru ha ga-eji malite.

gw. Inyere ndi ntorobia aka n ulo obula uzo ha ga-esi kwuru onwu ha ihe a kporo nke a na Bekee bu “Youth Empowerment Scheme. Dgz.

## NTULEKOTA ENWEMENWE OBODO NA OBODO

Obodo o bula nwere ihe ndi ha nwere ha ji akwalite aku na uba ha. Chineke ji ihe di iche iche were gozie obodo di iche-iche. Abia n’ala anyi bu Nigeria, obodo di iche iche na steeti di iche iche nwere ihe ndi bu onatara chi na akwalite aku na uba ha. Lee obodo di iche iche na ihe ndi ha nwere.

Onicha: Ahia, na ụlọ na emeputa ngwa ahia di iche iche

Nnewi: Ụlọ ọrụ na-emeputa aka-orongwa di iche iche.

Nkalagu: Okwute eji emebe sumenti nke a na-akpo lime stone n’asusu bekee.

Oloibiri di na Rivers Steeti: Mmanu eji akwo ugboala na ugbo ndi ozo di iche iche. Obodo di iche iche di na steeti ndi a Delta Steeti, Bayelsa Steeti, Cross River Steeti, Akwa-Ibom Steeti na Imo Steeti.

Enugu: Koolu

Jos: Udi igwe di iche iche nke a na-akpo tin ores, colubite na tantalite n’asusu bekee.

Oye Steeti: Aja (clay) nke eji emewe efere a na-akpọ ceremic n’ asusu bekee.

Edo/Delta Steeti: Udi aja di iche iche eji arụ ụlọ dgz.